IAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Aịsaịa na-ahụ Ọdịnihu



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Jonathan Hay
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Mary-Anne S.

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Aisaịa bụ onye-amụma.  Ọrụ ya bụ ịgwa ndị mmadụ ihe Chineke kwuru.



Ọ bụghị mgbe niile ka ndị mmadụ na-achọ ịnụ Okwu Chineke, ma Aisaịa ekweghị ka aha Chineke bụrụ n’efu. Aisaịa kwusara ozi ọma n'oge ndị eze anọ dị iche iche na-achị.



Eze Uzaịa chịrị ala Juda site n'obodo Jerusalem. Na mbụ, Chineke gọziri Uzaịa n’ihi na o mere ihe ziri ezi n’anya Jehova.  Ma Uzaịa malitere mkpako wee kwụsị irubere Chineke isi.  O wee ghọọ onye-ekpenta ma nọrọ naanị ya ruo mgbe ọ nwụrụ.



Eze Uzaịa chịrị ihe karịrị afọ iri isii.  Ọ wee nwụọ, Jotam nwa ya wee bụrụ eze afọ iri na asaa.  Chineke gọziri Jotam n’ihi na o gere ntị n’ihe Chineke kwuru site n’ọnụ Aịsaịa na ndị amụma ndị ọzọ.



Nwa eze Jotam bụ Ehaz. Ehaz gbara afọ iri abụọ mgbe ọ malitere ịbụ eze, o wee bụrụ eze afọ iri na isii na Jerusalem. Ehaz achọghị ịma banyere Chineke. O fere arụsị na chi ụgha dị iche iche, ma mee ka ọtụtụ n'ime ndị Chineke na-emekwa otu ihe ahụ. Ọ bụ ezie na Aịsaịa dọrọ ya aka ná ntị, Ehaz egeghị ntị n'ịdọ aka ná ntị nke Chineke. Ọ nwụrụ mgbe ọ dị naanị afọ iri atọ na ise.





Chineke gọziri eze na-esote bụ Hezekaịa, n'ihi na o wepụrụ arụsị niile na chi ụgha niile ma kpekuoro ezi Chineke ekpere. Mgbe ndị-agha ndị iro wakporo Juda, Hezekaịa matara na ndị-agha ya esichaghị ike imeri.  Ọ gwara Aịsaịa ka o kpee ekpere ka Chineke nyere ya aka.

Aịsaịa wee zigara Eze ozi a. “Nke a bụ ihe Jehova kwuru, Atụla egwu onye iro a ... M ga-eme ka ọ daa ...” N'oge na-adịghị anya, Chineke mere ka ndị-agha nke ndị-iro ahụ pụọ n'ebusoghịdị Hezekaịa agha.



N'agbanyeghị na ndị mmadu gbara ya gburugburu anaghị eche oke echiche banyere Chineke,



Aisaịa chebakwara Ya echiche nke ukwuu. Otu ụbọchị, o wee hụ ọhụ, nke dị ka ịrọ nrọ mgbe ị naghị ehi ụra. N'ọhụ ahụ, Aisaịa hụrụ ka Jehova si dị ebube ma dịkwa nsọ.

“Ònye ka m ga-eziga?” ka Chineke jụrụ n’ọhụ ahụ.  Aisaịa zara sị, “Lee m.  Zigam.”  Ọ dị njikere ime ihe ọbụla Chineke rịọrọ, ma gakwa ebe ọbụla Chineke zigara ya.





Ma eleghị anya, Aisaịa chere na Chineke ga-ezitere ya ndị nọ n’ebe dị anya bụ́ ndị na-anụbeghị banyere Chineke.



Ma mba, Chineke emeghị otú ahụ. Chineke gwara Aịsaịa ka ọ gwa ndị obodo ya okwu. Ọ gwara ha na Chineke na-ewesara ha iwe n'ihi mmehie ha.



E nwekwara ihe ndị ọzọ Aịsaịa nwere ịgwa ndị ya - ihe ndị magburu onwe ha banyere Onye ga-abụ onye mgbapụta dị ike ma bịakwa napụta ha ná mmehie na n’aka ndị iro ha niile.



Ndị Juu kpọrọ onye a “Mesaịa”.  N’agbanyeghị na ha tụrụ anya na Chineke ga-ezite Mesaịa, ọtụtụ ndị mmadụ na-ebi ndụ ka à ga-asị na ọ gaghị abịa.






Ihe niile Aịsaịa kwuru gbasara Mesaịa ka e dere n’akwụkwọ ya. Ọ bụ ezie na o dere ihe ndị a ọtụtụ narị afọ tupu ha emee, ihe niile Aịsaịa kwuru banyere Mesaịa ga-emezu.

Aisaịa kwuru na Chineke n'onwe Ya ga-enye ihe iriba-ama. Ọ sị, “Lee, nwa-abọghọ



na-amaghị nwoke ga-amụ nwa nwoke, kpọọ aha ya Immanuel.”

Ndị mmadụ ma na Aịsaịa na-ekwu okwu banyere Mesaịa bụ Chineke n’ihi na nwaanyị apụghị ịbụ nwa agbọghọ na-amaghị



nwoke ma mụọ nwa. Ọzọkwa, aha ahụ bụ Immanuel pụtara Chineke nọnyeere anyị!



“N'ihi na a mụụrụ anyị otu Nwa, nye anyị Ọkpara, ọchịchị ga-adịkwa n'ubu Ya. A ga-akpọkwa aha ya ebube, Onye ndụmọdụ, Chineke dị ike, Nna ebighi ebi, Onyeisi Udo.”  Aịsaịa ji n'aka na nkwa Chineke ga-emezu, o kwuru dị ka à ga-asị na ihe ahụ emeworị.  A na-akpọ nke a amụma.

Aisaịa kwuru na Mesaịa ga-adị ukwuu ma mee nnukwu ihe.  Chineke gwakwara Aịsaịa ka ọ gwa ndị Izrel na Mesaịa ga-ata ahụhụ, e wee gbuo ya.  O  nwere ike ịbụ na Aịsaịa nọ na-eche otú Mesaịa ahụ ga-esi dị ukwuu, dịkwa ike, bụrụkwa onye adịghi ike ma nwekwa mmerụ ahụ́.  Ma Aịsaịa na Chineke arụghị ụka - o kwughachiri ihe Chineke gwara ya ka o kwuo. Chineke ga-ahụ na amụma ya mezuru.



Mesaịa na-abịa - ọ bụghị naanị maka ndị Juu. Chineke gwara Aịsaịa na Mesaịa ga-abụ “ìhè nye ndị mba ọzọ”.  Ndị Jentaịl bụ ndị niile nọ n’ụwa na-abụghị ndị Juu.  Chineke hụrụ onye ọbụla n'anya, ma Mesaịa ya ga-abịa ịgọzi onye ọbụla ma weta nzọpụta na nsọtụ ụwa niile.



Aịsaịa na-ahụ Ọdịnihu

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Aisaịa Isi nke mbụ, nke isii, nke asaa,
nke itoolu, nke iri ise na atọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.